Ákụ́óyìbó Nsugbe Journal of the School of Languages (ANJOSOL)
Vol 2 No. 1, 2026: 285-293
https://ojs.universityedu.org/index.php/anjosol/index
*The official biannual Journal of the School of Languages, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe*

eISSN: 3122-0088
pISSN: 3122-0096

# Asụsụụzọ mgbakwasa ụkwụ n'abamaha ndị Igbo

**Onyinye Constance Amamgbo**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka; oc.amamgbo@unizik.edu.ng

**Princess Ngozi Ndibe**
Dept. of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages. Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe; princessladyp8@gmail.com

Corresponding Author: oc.amamgbo@unizik.edu.ng

ARTICLE INFO

**Ọkpụrụkpụ okwu:** *Asụsụ, Mgbakwasa ụkwụ na abamaha.*

©2026 Author(s): This is an open-access article distributed under the terms of the Creative Commons Attribution 4.0 International

**Ụmịedemede**

*Nchọcha a bụ maka asụsụ ụzọ mgbakwasa ụkwụ n'abamaha ndị Igbo. Ndị Igbo na-esite n'asụsụ ha akọwapụta onwe ha, ọnọdụ ha, ekpemekpe ha, echiche ha, nkwenye ha na-ezi akparamagwa ha tụmadị n'ebe ọ metụgasịrị aha ha na-aza.Nke a gosịrị na asụsụ bụ ụzọ ndị Igbo na-esị ezipụta ebumunuche na mmasi ha nwere banyere mpụtara aha ụfọdụ dị iche iche ha na-abagasị ụmụntakịrị ha tụmadị site n'asụsụ ha. Ha kwenyere na asụsụ bụ ụzọ mgbakwasaụkwụ n'abamaha na ndụ ha n'ihi na onye kpọọ ọba ya mkpọmkpọ ọba, agbataobi ewere ya kpoo ntụ. Ebe ọ bụ asụsụ ka e ji akọwapụta onwe. Ndị Igbo na-eji asụsụ akọwapụta aha ha nke bụ njirịmara ndị. Nwanchọcha gbakwasara ụkwụ na atụtụ njieme. Ndi nchọcha a gbasoro usoro nkọwasi site n'ịgba ndị okenye Igbo ajụjụ ọnụ n'ụzọ pụrụ iche. Nwanchọcha bu n'uche ịkọwapụta mpụtara aha, uru ọ bara ma gosipụta ezi ụkpụrụ ya n'asụsụ Igbo. Aro nchọcha a bụ na ndị nne na nna ga-enye aka ịkụnye ezi ụkpụrụ na ndụ ụmụntakịrị site n' izipụta ya n'akparamagwa na ndụ ha na-ebe tụmadị ebe ọ metụtara aha dị iche ịche ha na-azagasi. Ọzọ, ndị nne na nna ga-agbambọ ịba ụmụntakịrị ha aha nwere ezi mpụtara ma gbadosịa ụkwụ ike n'asụsụ Igbo. Nke a ga-eweta ọdịmma na ọganihu n'ebe ọ pụrụ ịche ma mee ka ndị Igbo bụrụ ndị nwere obi mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Nchọcha a ga-abịa n'isi njedebe site n'ịchọpụtagasi ihe ga-enyere ndị Igbo aka ịga n'ihụ ma mee ka ha bụrụ ndị e ji ezi aha mara.*

## Mmalite

Asụsụ adaghị n'elu. A bịa n'ịchọpụta ihe asụsụ bụ, ọ bụ ụda sitere n'olu mmadụ pụta ma bụrụkwa ụda ahụ na-apụta n'okwu mmadụ na-ekwu. Okwu ahụ mmadụ na-ekwu bụ ihe a na-edo n'usoro ekwu ihe dị iche iche o wee nwee nghọta zuru oke. Okwu ahụ e doro n'usoro nwere nghọta zuru oke mere mmadụ na ibe ya ji aghọta onwe ha nke ọma ka a na-akpọ asụsụ. Ọ bụ asụsụ ka ndị mmadụ ji emekọrịta n'etiti onwe ha n'ebo dị iche iche. Ọ bụkwa asụsụ na-egosi na mmadụ pụrụ iche makana ọ bụ naanị mmadụ na-asụ ya, anụmanụ bụ naanị ụṅara ka ha na-eme. Ya bụ na asụsụ bụ mmadụ, mmadụ bụrụ asụsụ nke a, gosịrị na asụsụ bụụzọ mgbakwasa ụkwụ na-ezịpụta mpụtara aha dịgasị iche iche ndị mmadụ na-aza n'ụwa taa.Ọ bụ site n'asụsụ ka e si amata ebe ma ọ bụ agbụrụ onye si pụta tụmadị mgbe a kpọrọ onye ahụ aha. N'ihi nke a, asụsụ bụ ike ndị mmadụ nwere n'ebe dị iche iche ha nọgasị ma ọ bụ n'obodo a mụnyere ha, e wepụ ya, o nweghị onye ga-aghọta ibe ya ma ọ bụ kọwapụta ebe onye si n'ihi na ọ bụ site n'asụsụ ndị ka e si akọwapụta ha.

Ndị Igbo bụ ndị e ji asụsụ ha mara n'ihi na ha na-egosipụta nkwenye ha, akparamagwa ha, erimeri ha, omenala ha na ihe ndị ọzọ site n' ụdị ndụ ha na-ebi, omume ha na-eme, aha ha na-azagasi nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ site n'asụsụ ha gasị. Nke a gosịrị na asụsụ bụ ntọala ndụ mmadụ n'ụwa niile ma mee ka mmadụ bụrụ ihe dị iche n'ebe anụmanụ na ihe ndị ọzọ dị. Ọ bụ naanị asụsụ jikọrọ mmadụ na ibe ya, agbụrụ na agbụrụ, obodo na obodo.

**Nkọwa Isiokwu Ga**

N'ebe a, ndi nchọcha ga-agba mbọ kọwapụta isiokwu dị iche iche mejụpụtara nchọcha ha.

**Asụsụ**

Ọtụtụ ndị mmadụ kọwara asụsụ site na nghọta dị iche iche ha nwegasịrị. Agbedo (1991) sị na "asụsụ bụ tuu dị n'isi opi n'ebe ndụ mmadụ dị". Nkọwa a gosiri na asụsụ metụtara ihe niile ndị mmadụ na-eme na ndụ. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọdịnala ndị ji biri ga-enwerịrị asụsụ, nke a pụtara na omenala enweghị ike ime ihe ọbụla ma ọ bụrụ na asụsụ akwadoghị. Ndi nchọcha hụrụ asụsụ dị ka onyinye Chineke nyere mmadụ, nke onye ọbụla e kere eke ga-enwe ike jinwuo wee kparịta ụka ma ọ bụ kọwapụta ihe bụ mkpa ya.

Onye ọzọ nyere nkọwa maka asụsụ bụ Anọzie (1999). O kwuru na asụsụ bụ ụzọ dị iche iche mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. Ọzọ, na asụsụ bụ ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ kwesịrị ekwesị. Asụsụ bụkwa usoro okwu ma ọ bụ nhazi ụda nke otu mba maara nke ọma ma jiri ya na-ekwukọrịta okwu n'etiti onwe ha.

Agbedo (2000) kwupụtara na Sapir na Whorf (1940) rụtụrụ aka na asụsụ na mmadụ gwakọtara ọnụ nke mere ọtụtụ ndị ọkammụta jiri wepụta ohere gụmie ihe banyere ntọala usoro asụsụ. Ọ bụghị na asụsụ na-ezipụta naanị ebumnuuche mmadụ kama na ọ na-akpụkwa ya akpụkwa, o wee kwụrụ ekeresụ. Asụsụ bụ ụmị ntụgharị uche mmadụ na ibe ya. Mmadụ ịsape anya mara ihe na-aga n'ụwa na mgbe o ji aga anaghị adị mfe ma e jighị asụsụ. Asụsụ gbadoro ụkwụ n'ọkpụrụkpụ ihe anọ ndị a: Nka ngere/ ọṅụṅụ, nka ọsụsụ, nka ọgụgụ na nka odide.

Mbah na Mbah (2001) kọwara asụsụ dị ka ụzọ e si ezipụta ebumnuuche mmadụ, mmekọrịta ma ọ bụ ihe mmadụ chọrọ site n'ụda ma ọ bụkwa akara ederede. Nkọwa ya gosiri na e wepụ asụsụ n'ụwa taa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya kaara ịbụ ihe agaghị ekwe omume n'ihi na e nweghị ụzọ ọzọ mm n'ihe gbasara mmụta adụ ga-esi zipụta ebumnuuche ya. Ndibe (2019) kowara na asụsụ bụ a hụghị ete ma si arịla nkwụ n'ihe gbasara mmụta ọbụla Asụsụ na- eme ka mmekọrịta mmadụ na ibe ya gaa were were ma dikwa ụtọ. Asụsụ ọbụla a na-asụ nke ọma dị ndụ ma na- eto eto, ma asụsụ ọbụla ndị nwe ya hapụrụ, hapụ ide ya ede na iji ya kuzi ihe, asụsụ ahụ ga- anwụ pịị. N'otu aka ahụ, Ugobụeze (2010) sịrị na ọgụgụ na odide n'asụsụ obodo na-enye aka na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ịhazi onwe, inwere onwe na ichemi echiche ime. Asụsụ na-enye aka n'ịkụziri ụmụaka nsọpụrụ na iwu obodo. Asụsụ na-arụ nnukwu ọrụ n'ịkụziri ụmụaka ihe banyere ofufe, okpukperechi na ịnabata ndị ọzọ n'usoro ekpemekpe ha. Nkọwa Ugobụeze na-egosi na asụsụ bụ a hụghị ebule ma e lighị dike n'ụwa dum. Asụsụ bụ isi a hụrụ kwaba okpu, ya mere na nwaafọ Igbo ọbụla kwesịrị ịma ka e si asụ asụsụ Igbo etu o kwesịrị. Udemmadụ (2018) kwuru na asụsụ bụ otu ụzọ e si ezipụ ozi bụrụkwa ụzọ mmadụ na ibe ya si emekọrịta. Ma tupu nke a adị ire, a ga-enwerịrị ezi mmekọrita n'etiti ozi na ụda ma ọ bụ ederede ya. Ọ gara n'ihu jụọ ajụjụ a: kedụ ụdị ezi mmekọrịta ahụ? O wee zaa sị; mmekọrịta ahụ bụ "nghọta".

Na nchịkọta, nkọwa asụsụ ndị ọkammụta dị iche iche e nyegara dịcha mma ma gbado ụkwụ n'otu ebe. Ha na-akọwa na asụsụ bụ ụzọ mmadụ si ezipụta ebumnuuche ya ebe ndị ọzọ nọ nke na-eweta nghọta zuru oke ma na-akwado ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya ebe Amamgbo (2023) kọwara na asụsụ bụ ụzọ mmadụ si gosipụta ebumnuuche ya, akọnuuche na echiche ya n'ụzọ pụrụ ihe iji mee ka a ghọta ihe ọ na-ekwu nke ọma. Ya bụ na asụsụ bụ ntọala ndụ mmadụ n'ụwa gbaa gburugburu n'ihi na asụsụ mere ka mmadụ bụrụ ihe pụrụ iche n'ebe anụmanụ na ihe ndị ọzọ dị makana ọ bụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ. Asụsụ jikọrọ mmadụ na ibe ya, agbụrụ na agbụrụ, obodo na obodo, nakwa mba ụwa ọnu.

**Nnyocha edemede nchọpụta**

N'ebe a, ndinchọcha ga-eleba anya na nchọcha dị iche iche ndị mmadụ merela banyere isiokwu nchọcha ha, nkọwa asụsụ, nchọcha e merela n'isiokwu, nnyọcha atụtụ.

Ọtụtụ ndị jiri asụsụ Igbo kpọrọ ihe gbọrọ ihe ewu na-eri site n’ime nchọcha gbasara asụsụ bụ ndị a; Ejiọfọ (2015) mejupụtara ebumnoobi ya nke bụ ịchọpụta ụzọ a ga-agbasa were kwalite asụsụ na omenaala Igbo. Ọ chọpụtara na asụsụ Igbo na-anyụzị ka ọkụ a wụrụ mmiri. Nke a gosịrị na ndị mmadụ anaghị etinye uchu n’ịmụta asụsụ na ilu Igbo. Ọ sị na nke a bụ nnukwu ọrịa ji ndị Igbo, nke na ọ bụrụ na a gbaghị mbọ ka e gbochie ya bụ ọrịa, asụsụ Igbo ga-anwụ pịịị. O nyeziri ntụzi aka ka ndị Igbo niile gbaa mbọ mụta asụsụ na ilu Igbo ma chekwaba ha, n’ihi na ọ bụ ha bụ ndụ ndị Igbo.

Nchọcha Ejiọfọ mere ka a mata mkpa ọ dị ichekwaba asụsụ na ilu Igbo. O mere ka ndị mmadụ chọpụta na o nweghị etu a ga-esi chekwaba asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na e chekwabaghị ilu Igbo, maka na ilu Igbo fuo, ihe ọ pụtara bụ na asụsụ Igbo efuola. Nchọcha ya bara uru nke ukwuu, maka na o meghere anya ndị gọọmenti na ndị Igbo niile ọ kachasị gọọmenti steeti anyị bụ Anambara Steeti ka ha mara mkpa ọ dị ibido n’oge kwọọ ya bụ mmiri mgbe ọ ka nọ n’obe ụkwụ tupu o ruo n’ikpere. Nchọcha ya mere ka ndị gọọmenti steeti Anambara nye iwu kpụ ọkụ n’ọnụ na nwata akwụkwọ ọbụla ga-emerịrị nke ọma n’asụsụ Igbo n’ule agba ikpeazụ sekọndịrị nta tupu ọ gafee n’ogo sekọndịrị ukwu. Atụmatụ dị etu a ga-eme ka ọmụmụ asụsụ na ilu Igbo n’ogo dị iche iche na-aga n’ihu. Ọnwụdiwe na Ugochukwu (2012) na nchọcha ha mere banyere asụsụ, chọpụtara ma kọwaa na asụsụ abụghị naanị ụzọ mkparịtaụka kama na ọ bụ ihe na-eji mkpụrụokwu ya niile, ọdịdị ya niile nakwa ọnọdụ ya niile ezipụta ihe ndụ bụ n’ebe mmadụ nọ. Ha kwukwara na asụsụ n’ụzọ pụrụ iche, kpokọtara ihe dum banyere etu ndị mmadụ siri hụ ụwa.

Nchọpụta Ọnwụdiwe na Ugochukwu dị mma makana o mere ka a mata na asụsụ chịkọtara ihe niile gbasaara ndụ mmadụ n’ụwa a. Ihe nke a gosịrị bụ na e wepụ asụsụ na ndụ mmadụ, nghọta na mmekọrịta agaghị ezu oke. Ọ bụ asụsụ ka e ji ekwukọrịta okwu, asụsụ ka e ji ewulite obodo. Ihe gbasara ịrụ ọrụ gọọmentị, ọrụ aka dị iche iche tinyere ihe gbasara azụmahịa n’ọnọdụ ọbụla nwere ntọala ha n’asụsụ. A bịa n’ime njem, ịkụzi ọgụgụ na odide, na ihe dum banyere ndụ sọnyere isi n’asụsụ. Ya bụ na asụsụ bụ mmadụ, mmadụ bụrụ asụsụ.

Ocho (2005) site na nchọcha o mere banyere asụsụ, chọpụtara na asụsụ bụ omenala n’ihi na ọ na-akọwa, na-echekwa ma na-enyefe ihe dum banyere usoro obibi ndụ, nkwenye, usoro akparamagwa, ọdịnala na usoro echichi site n’otu ọgbọ ruo n’ọgbọ ọzọ, nke mere ka otu ndị ma ọ bụ otu agbụrụ dị iche n’ebe ndị ọzọ nọ. Ihezuọnụ (2013) kwadoro ihe Ocho (2005) chọpụtara site na nchọcha o mere. Ọ chọpụtara na asụsụ bụ anya ndị mmadụ ji ahụ ụzọ ma kọwaa ihe dịgasị na gburugburu ha. Ọ chọpụtakwara na asụsụ ọbụla a na-asụ n’ebe ọbụla bụ njirimara ha, ọzọ, na asụsụ ka e ji enyefe omenala site n’agbụrụ ruo n’agbụrụ. Nchọpụta Ocho, tinyere nke Ihezuọnụ, dị mma n’ihi na ha mere ka anya ọhanaeze meghee ịmata na asụsụ bụ ihe ji agbụrụ ka ọ ghara ifu efu. Ha mere ka ndị Igbo mata na ha ga-ejisi ike na-asụ asụsụ Igbo ebe ọbụla ha hụrụ onwe ha iji kwadosie omenala e ji mara Igbo ike, mee ka asụsụ Igbo bụrụ a kwaa a kwụrụ. Sinclare (1992) onye ndepụta ọkọwa okwu Bekee nke B.B.C dere na asụsụ bụ ngwaọrụ dị oke mkpa n’ọganihu obodo. Ọ bụ ngwaọrụ dị ukwuu Chineke nyere mmadụ iji chịa ma bụrụ onyeisi n’ebe ihe e kere eke ndị ọzọ dị. Nke a gosiri na e wepụ asụsụ obodo a gaghị aga n’ihu tinyere na mmepe obodo ahụ ga-ahịa ahụ. N’ezie, asụsụ bụ a hụghị ebule ma e lighị dike. Nchọpụta Sinclare bara uru makana o mere ka ndị amaghịị mara na Chineke nyere nwoke mbụ bụ Adam ikike ịchị ma gụa ihe dum e kere eke aha. Robins (1985) kọwara asụsụ dị ka akara nzikọrịta ozi nke gbakwasara ụkwụ na nkwekọrịta nke ndị mmadụ; o nwere ike igbanwe ma webata ihe ụfọdụ site n’etu ọnọdụ si agbanwe n’ebe ndị ndị na-asụ asụsụ ahụ nọ. Nkọwa Robins na-ahụta asụsụ dị ka ụda dị iche iche bịakọtara ọnụ iji mebe mkpụrụokwu, nkejiokwu na ahịrịokwu.

Na nkọwa Eme (2006), nchọcha ndị Naịjirịa mere iji kwado asụsụ ala anyị, nke Igbo so na ya, mechaara bụrụzie nchọpụta na-etinye asụsụ Bekee n’ọkwa dị elu. Ọnọdụ a wutere Igboanụsị (2003:105) na Chukwukere (2006:65), nke mere ha jiri kwaa akwa, tie mkpu maka ọnọdụ ọjọọ asụsụ Igbo banyere na ya. Ọ bụ site n’aka Eme na Nkamigbo (2009) ka anyị siri mata ihe ndị a. Na nkọwa Anịzọba (2013), “asụsụ bụ ụda nke nwere nghọta site na nkwekọrịta ọha na eze nwe ya bụ asụsụ.” Ọ sị na ọ bụ mgbe ọha na eze nabatara ụda ahụ dị ka mkpụrụ asụsụ nwere nghọta n’asụsụ ka a ga-ejibezi

ụda ahụ na-asụ asụsụ. Ọ bụ n'ihi nghọta a dị n'asụsụ ka agbụrụ ọ bụla ji enwe ike kọwapụta onwe ha. Ọ bụ ya na-emekwa ka ezi mmekọrịta dị n'etiti ọha na eze nwe ya bụ asụsụ.

Site na nkọwa Eme na Nkamigbo (2009), ihe mere anyị jiri bụrụ ndị Igbo bụ asụsụ anyị bụ Igbo. N'igosi na okwu a bụ eziokwu, Nwadike (2003) zipụtara ụzọ ihe atọ okwu a bụ "Igbo" pụtara. Ihe mbụ ọ sị na "Igbo" bụ, bụ "ndị a mụrụ amụ", ya bụ Ndi Igbo, Ihe nke abuọ ọ sị na "Igbo" bụ, bụ "oke ala ha bi", ya bụ Ala Igbo. Ihe nke atọ ọ sị na "Igbo" pụtara bụ "asụsụ ha", ya bụ Asụsụ Igbo. Na nchịkọta ya, ihe okwu a bụ Igbo pụtara bụ "Ndị Igbo", "Ala Igbo" na "Asụsụ Igbo". Nkọwa niile a, ma nke Nwadike (2002) na Nwadike (2009), ma nke Eme na Nkamigbo (2009) nakwa nke Anizoba (2013) emeela ka anyị mata na asụsụ bụ ụda nwere nghọta ọha na eze nabatara, were ya na-enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. Nkọwa ndị a mekwara ka anyị mata na ọ bụ agbụrụ ma ọ bụ ọha na eze nwe asụsụ.

Ndị ọka mmụta dị ka Isichei (1977), Orji (1999) na Ozigbo (1999) nwere nkwenye na obibi ndụ ndị Igbo ka dị ka mmanya a kụghị mmiri tupu ọbịbịa ndị isi ọcha.

Nkọwa niile a e nyere asụsụ n'ebe a dịgasị mma maka nchọcha a na-abagide. Ka o sila dị, ndị odee na-akọwa asụsụ dị ka usoro mkparịta ụka na nzikọrịta ozi nke mba dị iche iche nabatara ma na-agbaso na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Mana Amamgbo (2023) na nchọcha ọ mere gbasara ilu dị ka usoro mwulite n'asụsụ na ndụ ndị Igbo hụtara asụsụ dị ka ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta, ezipụta mbunuuche ha site n'okwu ọnụ na mmeghari ahụ. Nke a gosịrị na asụsụ bụ isi sekpụ ntị n'ije mmadụ n'ụwa n'ihi na agbụrụ ọbụla enweghị asụsụ nwụrụ anwụ. Asụsụ bụ mkpanaka mba ọ bụla iji egosịpụta ụzọ mgbasakwa ụkwụ zuru oke tụmadị n'ebe ọ metụtara aha ụfọdụ ndị Igbo na-azagasị na mkpaghara ebe ha bigasị ma na-egosipụtasịọnọdụụfọdụọtụtụ ezinaụlọ na-anọ mgbe nne ebu nwa n'afọ nakwa oge a mụrụ nwa ahụ amụ.dg.

**Nnyocha Atụtụ**

Ndinchọcha tụrele atụtụ echiche ọ họọrọ ga-abụ atụtụ nchọcha a. Atụtụ ahụ bụ atụtụ njieme.

**Atụtụ Njieme**

A bịa n'atụtụ njieme, ndị ọkammụta kwuru okwu banyere ya ebughị ibu, ma ka o sila dị, Paul Horwich n'akwụkwọ o dere n'afọ 1998 ọ kpọrọ *'Meaning'.* Ọ kọwara na ihe na-enye okwu ọbụla echiche ya gbadoro ụkwụ n'ihe e ji ihe ahụ eme n'asụsụ okwu ahụ dị na ya. A bịa n'echiche Wittgenstein na Horwich, e nyochaa ya nke ọma, a ga-achọpụta na ha abụọ na-ekwu otu ihe. N'ịga n'ihu, onye ọzọ kwadoro atụtụ a bụ Ludwig Wittgenstein. N'afọ 1953, o dere akwụkwọ ọ kpọrọ *'Philọsọphical Investigations'*. N'ime akwụkwọ ahụ ka o kwuru na atụtụ a na-agbaso usoro nsirihụ were enye nkọwa okwu ọbụla. Ọ na-akọwa na echiche na nghọta okwu ọ bụla nwere sitere n'ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ọ nọ na ya. Horwich na Wigenstein so na ndị kwenyesiri ike ma na-akwado atụtụ a site n'ịkọwa na okwu ọ bụla nwetara echiche ya site n'ihe ndị nwe asụsụ nyere ya. Nkọwa ha na-ekwenye na okwu ọbụla enweghị echiche onwe ya. Atụtụ a bara uru n'ihi na ọ na-egosipụta na okwu dị iche iche n'asụsụ dị iche iche nwetara echiche ha site n'etu ndị nwe asụsụ siri hụ okwu ndị ahụ. Uru atụtụ a bara mere na e ji ya arụ ọrụ rue ugbua. Atụtụ a riri mperi n'ụzọ olenaole. O doro anya na echiche nwere ọdịdị nnọrọonwe emetụtaghị ọnọdụ ya n'asụsụ ma ọ bụ atụmatụokwu mana atụtụ a na-ekwu na echiche okwu ọ bụla gbadoro ụkwụ n'ihe ndị nwe asụsụ kpọrọ ya.

**Olee ndị n'Igbo?**

Ndị Igbo bụ ndị bị n'ala Igbo ma na-asụkwa asụsụ Igbo. Ha bụ ndị isi ojii ma bụrụ agburu maọbụ ebo. Ndị Igbo bụ ndị bị n'ọwụwa anyanwụ Naijirịa. Ndị Igbo na-asụ asụsụ Igbo nke bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe na Naijirịa. Ha bụ ndị ọrụ ugbo mana arụsi ọrụ ike n'ebe ọbụla ha nọ. Ndị Igbo bụ ndị na-emeere mmadụ ibe ha ebere ma na-egosi obi ebere ha site n'inyere agbataobi ha aka n'ụzọ dị iche iche. Ha makwa etu e si elekọta ndịọbịa nke ọma tụmadị n'ebe ọ metụrụ mmekọrita na nnabata. N'etiti ndị Igbo n'oge gboo, e nwere obodo ụfọdụ riwara anya ma sie ike, iji maa atụ, Arochukwu. Ma ọ dịghị mgbe ha mabokwasịrị obodo ndị ọzọ ọchịchị. Anyị maara na ha busoro ọtụtụ

ndị agha, kwakọrọ ihe ha. Ihe anyị ghọtara site na nke a bụ na ọchịchị mmabokwasị maọbụ ọchịchị mbagide adịghị ndị Igbo n'ọbara. Obodo ọbụla n'ala Igbo na-achị onwe ya. Otu aka ahụ kwa ọchịchị anaghị adị n'aka otu onye n'ala Igbo. Ihe ọzọ jikọtara ndị Igbo dị ka otu agbụrụ bụ na ha bịkọtara n'otu ebe a maara dị ka ala Igbo dị ka anyị kọwapụtara na mbu. Ọkpụrụkpụ ihe ọzọ jikọtara Igbo niile bụ omenala ha. Omenala Igbo bụ otu, n'agbanyeghi na e nwere obere ndịiche site n'otu mpaghara gaa mpaghara ọzọ. Ha bụkwa ndị na-ebikọta ọnụ nke na-apụtakarị ihe site n'ekpemekpe ha, nkwenye ha, ejiji ha dg.

A bịa n'ala Igbo, Steetị ise ndị a kachasị pụta ihe. Ha bụ Anambara, Imo, Abịa, Enugwu na Ebonyi n'ụfọdụ mpaghara Rivas na Delta. Dika Ọtụtụ nchọpụta siri kọwaa, a na-ekwu na ndị Igbo bụ ndị si mpaghara Isreel wee gafee Ijipt wee rute ebe ha nọ taa. Nkwenye a bụ n'ihi na ọtụtụ omenala ndị Igbona-eme yitere nke ndị Isreal dị ka ibi ugwu, ịba aha, ọnọdụ nwoke nwere n'ezinaụlọ nakwa n'obodo, ile nwaanyị ọmụgwọ dg. N'aka nke ọzọ, e nwekwara nkwenye nke na-akọwa na ndị Igbo puru epu ebe ha bi taa ma nkọwa ndị a dum enweghị nke e nwere nkwekọrịta zuru oke na ya. N'ịga n'ihu, ndị Igbo bụ otu agbụrụ kachasị na Naijirịa nke mere asụsụ Igbo ji soro n'otu asụsụ atọ gọọmentị Naijirịa nabatara maka iji na-akpakọrịta ụka. Mpaghara ebe ndị Igbo bịgasị ka a na-akpọ ala Igbo.

**Aha/ Abamaha**

Okwu a bụ aha pụtara aha ihe dị iche iche na-aza. Ọ bụ ihe e ji mara ha nke na mgbe ọbụla a kpọrọ aha ahụ, onye ọbụla nụrụ ya amarala ihe a na-ekwu maka ya n'echeghị ya eche maọbụkwanụ jụwa ajụjụ ka a kọwaara ya.

Aha ihe na-azagasị nwere ka o si malite. A bịa n'akwụkwọ nsọ ndị otu Kraịstị, ya bụ Baịbụlụ, ọ kọwara na Eke kere ụwa bụ Chineke kechara ihe niile wee kezie mmadụ n'ikpeazụ (Gen. 1:27). Onye mbụ Chineke kere bụ Adam. Baịbụlụ kọwara na Chineke kechara Adam nye ya ikike ka ọ gụọ ihe dum O kere aha. O kwukwara na Adam gụrụ ha aha n'otu n'otu. Aha ahụ Adam gụrụ ihe dum ahụ ka ha na-aza n'ụwa were ruo taa, (Gen. 2:19). Ọ bụ otu a ka aha siri malite e wee nwee aha ihe dum na-aza nke osisi bụ isi a hụrụ kwawa okpu na nchọcha a bụ otu n'ime ha.

Ọbaji (1982) dere na aha nwere ihe ọ na-egosi, a bịazie n'ebe ndị Igbo nọ, na ọ na-egosi ihe ahụ ndị mmadụ na-aghọta mgbe onye na-aza aha ahụ kpọrọ ya maọbụ mgbe ndị ọzọ kpọrọ ya aha ahụ. Aha na-enye akụkọ ntọala ndụ onye na-aza ya. McGraw (1993) nyere nkọwa nke ya na aha bụ otu mkpụrụokwu maọbụ mkpụrụokwu dị iche iche na-akọwa maka mmadụ, anụmanụ, ebe, ihe maọ bụ ogogo ihe dị iche iche. Onye ọzọ nyere nkọwa maka aha bụ Ụbahụkwe (1981). O kwuru na aha Afrịka ọ bụla na-akọwa onye na-aza ya, na ọ na-akọwakarị maka nne na nna maọ bụ ezinaụlọ onye na-aza ya bụ aha. Ọzọkwa, na ọ na-arụga aka na nkwenye obodo a mụnyere onye ahụ. Okodo (1988) kwadoro nkọwa Ụbahụkwe site n'ikwu na otu aha na-akọwakarị maka nne na nna onye bụ '*Ogechukwukamma'.* O kwukwara na ọ bụ nwa mbụ nne na nna ya chọrọ nwa ọtụtụ afọ ka a na-agụ aha a. Ihe ọzọ Okodo kọwara banyere nke a bụ na o nwere ike bụrụ nwa nwoke nne na nna ya mụtarala ọtụtụ ụmụnwaanyị tutu a mụọ ya ka a na-agụ ya bụ aha Ogechukwukamma. Ọzọkwa, Amamgbo (2013) n'akwụkwọ iduuazị ya ọ kpọrọ***Ogechukwukamma*** kwadoro ihe Ụbahụekwe na Okodo kwuru.

N'otu aka ahụ, Ekwealọ (1996) kwuru na aha ọ bụla e nyere mmadụ nwere ihe ọ na-egosipụta. Ọ kwadoro ihe Mbiti (1977) mere ka a mata na aha ndị mba Afrịka dum nwere mpụtara dị n'ime ha. O kwukwara na ụfọdụ aha na-akọwa ụdị mmadụ onye ahụ bụ maọ bụ akparamagwa ya ma ọ bụụfọdụ ihe nrịba ama megasịrịna ndụ onye ahụ. N'ịkwado nke a, ọtụtụ aha na-egosi ihe mere na ndụ mmadụ dịka Ahamefula, aha a na-egosi na a mụnyere ya bụ nwa nwoke n'etiti ụmụnwaanyị nke ga-eme ka ama nna ya ghara ichi kama ka a zara aha ha na-aga n'ihu.

Nkọwa Mbiti (1979) na nkọwa Ekwealọ (1996) tinyere Shakespeare (2007) na-arụga aka ihe. Shakespeare na-akọwa na aha ihe na-apụta ihe site n'ihe ihe ahụ na-ezipụta. Ekwealọ kwuru na aha ọ bụla e nyere mmadụ nwere ihe ọ na-egosipụta ebe Mbiti sị na aha ndị mba Afrịka dum nwere mpụtara dị n'ime aha ọbụla. Ọ bụrụ na a tụlee nkọwa atọ ndị ọkammụta a nyegasịrị, ha dum gbadoro

ụkwụ n'otu ebe. Bubu na Offiong (2014) kọwara na aha bụ otu ihe gbara ọkpụrụkpụ e ji ahụba mmadụ ama. Ọ bụkwa aha ka e ji gosipụta ndịiche dị n'etiti mmadụ dị iche iche. Ha gara n'ihu kwuo na ịba mmadụ aha maọbụ aha e nyere mmadụ bụ otu n'ime ihe e nwere ike iji nabata mmadụ n'otu okpukperechi maọ bụ nke ọzọ.

N'ikpeazụ, Amamgbo (2021) kọwara aha dị ka ihe e ji mara mmadụ ma ọ bụ ihe ndịọzọ kpọmkwem nke o nweghị onye ya na ibe ya ga-azọ ya. Nke a gosịrị na aha bụ ihe nwebisi ma ọ bụ aka mkpa mmadụ na ibe ya nwegasịrị n'ụzọ pụrụ iche.

**Ntụcha Agụmagụ**

N'ebe a ka a ga-eleba anya kpọm kwem n'ihe ndị Igbo na-agbakwasị ụkwụ weere na-aba aha. Ndị Igbo adịghị aba aha dịka ndị ọcha ma ọ bụ mba ọzọ. N'obodo ndị ọzọ, e nwere ike ịba mmadụ aha naanị n'ihi a na-anụ aha ahụ anụ mgbe niile ebe ọtụtụ na-aba aha maka etu o si atọ ụtọ na ntị ma ọ bụ n'ọnụ. Ụfọdụ na-aba aha ka ọ were bụrụ na onye ahụ na-aza n' ebughị ihe ọ bụla n'obi. Mgbe ụfọdụ, ndịọcha na-aba aha masịrị ha n'agbanyeghị ma o nwere nghọta ka ọ bụ na o nweghị.Ha weere aha dị ka ihe e ji mara ihe ma ọ bụ mmasị pụrụ iche n'ebe aha dị nke adịghị otu a n'ebe onye Igbo nọ. Aha onye Igbo bara nwa ya nwere ihe ọ na-egosipụta n'ebe nwa ahụ nọ nakwa na ndụ nwa ahụ. O nwere ihe ọ gbakwasasịrị ụkwụ ma ọ bụ obu n'obi were baa nwa ya aha ahụ. Ọzọ, e wepụ iji mee ka a mata onye bụ onye, ndị Igbo na-aba aha n'ihi otu n'ime ndị a:

1. **Ihe merela onye ahụ ma ọ bụ ezinaụlọ ya:**Mgbe nwaanyị di ime, ya na ezinaụlọ ya na-achịghara n'uche ma na-atado anya aha ha ga-aba nwa ahụ mgbe a mụrụ ya. N'ime nke a, ha ga-atụle ihe ndị megasịrị oge a dị ime nwa ahụ. Ihe ndịa nwere ike bụrụ ihe metụtara nne, nna ma ọ bụkwanu ezinaụlọ ahụ ka ha ga-agbakwasa ụkwụ ma ọ bụ elekwasa anya wee baa aha. Oge ụfọdụ, ihe ndị ahụ nwere ike ịbụ ọnọdụ ihe isi ike dakwasara ezinaụlọ ahụ, ọrịa nne na nna ma ọ bụ onye ezinaụlọ ahụ rịara nke yiri ndịọzọ egwu ma ọ bụ ihe ọma mee ndị ezịnaụlọ ahụ. dg. Iji mee ka ọnọdụ ọma ahụ tọọ ụtọ, enyemaka, mgbaghara n'aka Chineke, a ga-aba aha nke metụtara oge ahụ dị ka Chizerem, Ọnụabụchi, Ọnọdụmegbulam, Iroabụchi, Chizaram, Ekwutọsị, Chimchetam. dg. Aha ndị a niile na-enye aka ịchetara ezinaụlọ dị otu ihe ha gabịgara oge gara aga ma site na ya kelee Chukwu okike maka ọrụọma ya ugbu a na ndụ ha.
2. **Inye Chukwu otito n'ihi ihe ọma ya:** Ihe mmadụ na-atụ anya ya dị ka aha bụ otu n'ihe ndị e ji enye Chukwu ekele n'ihi ihe ọma ọ mere ha. A na-esitekwa na aha a bara nwata kpọkụọ Chukwu ma rịọ amara ya ka o nwete ihe ọ chọrọ na ndụ. Aha ndị a na-adịka ekpere ma ọ bụ arịrịọ nke onye bara ya na-atụ anya ka ọ dịrị gawa iji chọọ ihu Chineke. Aha ụfọdụ ndị a gụnyere Chigbọgụ, Chigbata, Chinweokwu, Chizọbam, Ahamefula, Obiefula dg. Aha ụfọdụ ndị a abụghị so ka mmadụ zaa aha kama a na-eji ya arịọ arịrịọ ma ọ bụ ekpe ekpere.
3. **Ndị Igbo ji aha ekpe onye mere ihe ọjọọ ikpe:** Ndị Igbo na-aba aha oge ụfọdụ iji kpee onye mere ha ihe ọjọọ ikpe dị ka anyị maa n'oge gboo. Mgbe mmadụ na ibe ya nwere nghọtahie ma ọ bụ nata mgbagbu n'aka mmadụ ibe ya, ọ na-eburu arịrịọ gakwuru Chukwu tụmadị ma ọ bụrụ na onye ahụ bụ onye ọ hụrụ na o nweghị ihe ya onwe ya ga-emetanwu ya. Nke a gosịrị na okwu ndị Igbo na-ekwu sị na nwata bee nne ya ma ọ bụ nna ya, ihe ọ ga-ebe n'akwa agwụla. Ọ ga-atụkwasị Chineke obi dị ka ebe mgbaba n'ebe inye aka ya ga-esi bịa. N'izipụta nke a, ha na-agụ aha dị ka ndị a: Chikpee, Chigorom, Chigboo, Nwagbọọgụ dg.
4. **Aha dị ka ihe mgbakwasa ụkwụ na izipụta echiche:** Ndị Igbo na-aba aha dị ka ihe ha bụ n'uche na ka ha sịrị hụ ndụ, ihe ndị ha kwenyere na ha n'ụwa a na ka ebumnobi ha si dị. Dị ka anyị maara na mmadụ ọbụla dị iche na ibe ya na nghọta, na echiche, na n'amamihe tinye na nkwenye mmadụ na ibe ya abụghị otu ihe, ha na-ezipụta nke a site n'okwu ọnụ ha nke na-apụta ihe n'aha ha na-aba ụmụ ha. Aha ndị a gụnyere Udokamma, Ositadịmma, Ndụkaụba, Mmadụbụụba, Ndụbụisi dg.

5. **Aha dị ka ncheta ihe ọma Chukwu mee mmadụ:** Mgbe ụfọdụ mmadụ na-aba aha iji nye Chineke ma ọ bụ mmadụ ekele maka ihe ọma o mee ya. Aha ndị a na-abụ aha ekele karịa nke arịrịọ. Ọtụtụ oge, mgbe mmadụ natara ihe ọma n'aka Chineke ma ọ bụ mmadụ, ọ ga-ekele maka ihe ọma ahụ mee ya. Ndị Igbo na-emekarị nke a site n'aha ndị a Mmadụbụike, Mmadụka, Chukwukadibịa, Nnabụike, Nnabugo, Nnaemeka, Chibuikem, Arinzechukwu dg. Aha niile ndị a gbadoro ụkwụ n'aha e ji enye Chineke ma ọ bụ mmadụ ekele maka ihe ọma a natara n'aka ha. Ọ bụ ezie na mgbe ụfọdụ ma mmadụ na ihe ka ya ike na-agba mgba iji mara aka ka aka, onye ga-emeri. Ọtụtụ oge mmeri dị otu na-abịa, e nwee aha dika, Ifeanyịchukwu, Ụzọamaka, Nkwọka, Afọmachukwu, Nnabụenyi dg.
6. **Ezi mmekọrita mmadụ na ibe ya:** Asụsụ bụụzo pụrụ iche na-eweta mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Aha ụfọdụ ndị nne na nna na-aba ụmụntakịrị ha na-egosipụta ebe ha si n'egbughị oge. Ọ bụ ihe ndị a mere na ezinaụlọ ma ọ bụ obodo na-aba aha dị ka Anizọba, Anịgbata, Alaagbaọsọ, Obodobụikem dg. Ọzọ, ihe gbasara mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-apụtakarị ihe site n'aha ndị a dị ka Igwebike, Azubụike, Azụbụeze, Mmadụkaejika, Nwannedịmma dg.
7. **Njirimara onye na ncheta ya:**N'omenala Igbo, aha na-egosipụta njirimara onye, ezinaụlọ ya na obodo onye ahụ siri pụta. Atụ: aha a bụ'Chinụa' pụtara onye Chineke nụrụọgụ. Nke a na-eme ka onye na-abara aha ahụ nwee ihu ọma. Ọzọ, aha na-egosi ihe ọmụma ma ọ bụ ngọzi. Mgbe ụfọdụ, aha a bụ Ngọzi na-ewetakwa ngọzi pụrụ iche n'ezinaụlọ ahụ ma ọ bụ n'obodo ahụ dg.
8. **Nkuzi na nkwado omenala:**Asụsụ Igbo na-agba mbọ na-ikuzi mana nkwado omenala na ndụ ndị ntorobịa iji mmụta nkọwa dị iche iche dị n'omenala ha banyere mpụtara aha dị iche iche ha na-azagasị, mkpa na uru aha ndị ahụ baara onye abara ya. Mgbe gboo, a na-eji aha egosipụta omenala ndịa n'ụzọ pụrụ iche. Ọtụtụ aha ndị mmadụ na-azagasị taa bụ ihe mere nne na nna onye ahụ n'otu ụbọchi ma ọ bụ n'ụzọ ije dị ka Ekemma, Ụzọma, Orieamaka, Ugoeke, Mmaafọ, Ụkamaka, Ugoọzọ dg. Aha niile ndị a na-ezipụta ihe mere n'ezinaụlọ a mụnyere ndị dị otu a.
9. **Akụkọ ihe mere n'obodo:** Ndị Igbo ji asụsụ ha akwalite ma na-echekwaba akụkọụfọdụ n'ala anyị.Ọtụtụ aha ndị Igbo na-abagasị ụmụntakịrị ha bụcha akụkọ ihe mere eme ka ha gbakwasara ụkwụ na ya nke na-ejikọta ndị mmadụ na ibe ha ọnụ. Njikọ dị otu a na-eme ka e nwee ezigbo mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya, obodo na obodo nakwa mba na ibe ya. dg.
10. **Asụsụ dị ka ụzọ ngosipụta emume na omenala ndị:** Asụsụ na-enye aka n'ebe ọ pụrụ iche ma gbaa ọkpụrụkpụ pụrụ iche n'izipụta ndịiche dị n'obodo na obodo, agbụrụ na ibe ya nakwa mba dị iche iche na-egosipụta mmemme ụfọdụgasị ha na-eme site n'asụsụ na aha ha nyere mmemme dị otu a n'ala Igbo. Mgbe ụfọdụ, mmemme na omenala ndị a na-apụtawanye ihe site n'ụdị aha e nyere ya. Ọzọ, asụsụ Igbo dị mkpa na mmemme aha ọdịnala ebe ezinaụlọ na obodo na-ezukọ iji mara aha e nyere ihe ahụ. dg. Emume na omenala ndị a na-abụkarị nnukwu mmemme n'ọtụtụ obodo n'ala Igbo n'ihi ezinaụlọ ụfọdụ na-ezi ozi zigara ikwu na ibe ha nọ ebe tere aka ka ha bịa soro ha nwee ọṅụ n'ụbọchị ahụ. Mgbe ha bịachara, ha ga-enye aka mepee ngwungwu ahụ e kechiri ekechi.

**Aro Ndi Nchọcha**

Ndị Igbo si na nyụkọọ mamịrị ọnụ, ọ gbaa ụfụfụ, ebe ọ bụ ebe onye bi ka ọ na-awachi. Nke a gosiri na ọ bụ mma onye nwere ka o ji ana aka. Ndị Igbo kwesịrị iji asụsụ ha kpọrọ ihe oge niile. Nke a ga-eme ka asụsụ ha bụrụ a kwaa a kwụrụ na mba ụwa. Ọzọ, ndị Igbo tụmadị ndị nne na nna kwesịrị iji asụsụ ha eme ọnụ site na ịbakarị ụmụ ha aha ụfọdụ e nwegasịrị n'asụsụ Igbo.Ezinaụlọ bụla n'ala Igbo kwesịrị ịwepụta oge ha ga-eji anọrị oge. Mgbe a na-eme nke a, ha ga na-eji asụsụ Igbo akọrọ ụmụntakịrị akụkọ ifo dị iche iche na-emetụta n'obi nke ukwuu nke ga-eme ka ha nwee mmasị pụrụ iche gbasara asụsụ Igbo site n'akụkọ ifo. Akụkọ ifo niile ndị a bụ iji mee ka ha nwee mmasị pụrụ iche banyere asụsụ ha ma gbaara ihe ọjọọ ọsọ ma mee ezi ihe. Ọzọ, ndị nne na nna kwesịrị iji n'oge a mee

ka ụmụntakịrị mata ha ọ bụla ha na-aza nwere ihe ọ na-egosipụta na ndụ ma kọwara ha na aha bụ ugogbe ndụnke na-esochi mmadụ azụ mgbe ọ mere ezigbo ihe ma ọ bụ ihe ọjọọ. N'aka nke ọzọ, ndi nchọcha na-atụ aro ka ndị nne na nna jiri asụsụ ha na-akụziri ụmụntakịrị ihe dị iche iche ga-abara ha uru n'ọdịnihu ma nye aka mee ka asụsụ Igbo na-eto eto karịa ka ọ dị taa.

Ọzọ, ndị nne na nna ga-agbasị mbọ ike wepụta oge nye ọzụzụ ụmụntakịrị n'ezinaụlọ ha dị iche iche. Ọzụzụ ndị a ga-amalite site n'ịsụrụ ha asụsụ Igbo oge niile ma mee ya dị ka iwu na onye ọ bụla sụrụ Bekee oge abụghị oge dị otu a nwere ntaramaahụhụ dịịrị ya. Mgbe a na-asụrụ ụmụntakịrị asụsụ nne, ọ ga-enyere ha aka ịmụta asụsụ ahụ ọsọọsọ. Ndị nne na nna ga-ebu ụzọ malite ịsụrụ ụmụntakịrị asụsụ ha n'ezinaụlọ ha dị iche iche tupu ụmụntakịrị ndị a abanye n'ụlọakwụkwọ ọtaakara. Mgbe ndị nne na nna mere nke a n'ụzọ kwesịrị ekwesị, asụsụ ha ga-abanye n'ụbụrụ ụmụntakịrị ahụ nke ọma ma mee ka mgbe ha bara kọleeji ma ọ bụ mahadum, ọ gaghị apụ apụ n'ime ha. Ọ bụ ihe mwute ma na-agba anya mmiri na ndị nwe asụsụ hapụrụ asụsụ ha ji eme ọnụ n'aka ndị ọzọ.

Ọzọkwa, ndị gọọmentị na ndị ọzọ ọchịchị dị n'aka n'ala Igbo ga-agba mbọ chịkọba amụmamụ ọzụzụ dị iche iche na asọmmpi n'ụlọakwụkwọ na ama egwuriegwu obodo iji akuziri ụmụntakịrị ihe ha kwesịrị n'oge ha kwesịrị ịmata ya. Ọgbakọ na nkụzi dị otu a ga-eme ka asụsụ Igbo na-abawanye, eto eto ma bụrụ ihe ewulitere n'ebe dị elu. Mgbe asụsụ Igbo werechaara ọnọdụ ya etu o kwesịrị site na-asọmmpi, ndọrọndọrọ ndị kwe na ndị ekweghị dị iche iche a tụpụtara, ọ ga-enye aka mee ka ụmụ afọ igbo mụta etu e si eji asụsụ ede ihe n'ụzọ dị iche iche ma were ya ekwu okwu ngwa ngwa site n'asọmmpi dị ka agwụgwa, okwu ntabi ire, ilu Igbo dị iche iche dg.

**Nchịkọta**

N'edemede a, ndinchọcha gbara mbọ izipụta ihe bụ asụsụ Igbo nke ọma ma gosipụta nchọcha dị iche iche ndị mmadụ mereelarịị maka asụsụ na aha na ụzọ dị iche iche asụsụ ndị Igbo si egosipụta mpụtara aha ụfọdụ site n'ịba aha Igbo. Ndinchọcha gbara n'anwụ mkpa ọ dị iji asụsụ akwalite aha Igbo anyị na-azagasị. Edemede a gosiri ugwu na nsọpụrụ ndị Igbo kwesịrị inye asụsụ ha site n'iba ụmụntakịrị ha aha n'asụsụ Igbo iji mee ka asụsụ ha bụrụ ihe e ji eme ọnụ ma na-eme ngala oge niile.

N'aka nke ọzọ, ndinchọcha kọwara na ọdị mkpa ka ndị Igbo jiri asụsụ ha kpọrọ ihe n'ihi na ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza. Site n'ihe niile ndị a ndinchọcha tụpụtara ga-eme ka ụmụ afọ Igbo chegharịa echiche ma lachighaa azụ n'asụsụ ha ma nwee ike mee ka ha jiri asụsụ ha na-aba ụmụntakịrị ha aha ma jiri ya na-ekwu okwu oge niile.

**Mmechi**

Ndinchọcha gbara mbọ nke ukwuu iji mejupụta ebumnoobi nchọcha a etu o kwesiri. Nke mbụ ịdọ ndị nne na nna aka na ntị ka ha gbaa mbọ hụ na ụmụntakịrị ha na-aza aha Igbo ma bu onwe ha ịsụ asụsụ Igbo mgbe ọbụla tụmadị n'ebe ụmụntakịrị ha nọ. Nchọcha a ga-enye aka meghee anya ndị nne na nna, ụmụakwụkwọ, ndị nkuzi, ụmụ afọ Igbo na ọhanaeze mkpa ọ dị iji asụsụ Igbo dị ka ụzọ mgbakwasa ụkwụ n'iwụlite asụsụ Igbo na ndụ ndị Igbo n'ụwa niile gbaa gburugburu. Mgbe nke a mere, asụsụ Igbo ga na-eto eto karịa ka ọ dị ugbu a, ma bụrụkwa ihe e ji ama atụ.

**EdensibỊa**


Agbedo, U. C. (1991). *Linguistic correction of social differentiations in Enugu Ezike speech community.* Ebipụta Tesis, UNN.

Agbedo, C. U. (2000). *General linguistics*: *An introductory reader*. Nsụka: ACE Resources

Amamgbo, O. C. (2013). Akwụkwo iduuazi: Ogechukwu ka mma. Ben-Cons Publishers: Nkpor.

Amamgbo, O. C. (2021). Aha Osisi NsọỤfọdụ: Uru Ha Baara Ndị Igbo. *Enyo Jọnal Otu Ndị Ji Edemede Akwalite Asụsụ Na Omenala Igbo*: Vọl 2. Nọmba 1. Pp 154-167.

Amamgbo, O. C. (2023). Ilu Dị ka Usoro Mwulite Asụsụ na Ndụ Ndị Igbo.*Odezuruigbo an International Journal of Igbo, African and Communication Studies:*Vol. 7 pp12-19.

Anozie, C. C. (1999). *Lingwistiiks sayensị asụsụ.* Nsụka: Fulladu Publishing.

Chukwukere, F.N. (2006).Meeting the challenges of identity, Gender and other Relations in the 21st Century Igbo Literary Writing.*Journal of Igbo Studies*, Vol.1, 65-73.
Ekwealọ, C. C. (1996). *Omenala na ewumewu ndị Igbo*. Ọnicha: Africana First.
Eme, C. A. (2006). *Style of Igbo Newspaper:* A case Study of Ozisa. A Ph.D. Seminar Paper Presented to theDepartment of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigerian, Nsụka.
Eme, C. A. na Nkamigbo, L. C. (2009). "Naijiria: Asụsụ, Omenala na Mmepe Obodo". *Akwụkwọ a gụrụ na Jọnal Mmụta Igbo* Vol. 4.
Ejiofor, P. (2015). *Ajọ ọrịa ji asụsụ Igbo okenye ịnọ n'ụlọ ewu na-anwụ n'ọgbịrị.* Awka: Valid Publishing Company.
Isichei, E. (1977). *A History of the Igbo People*. London: Macmillian.
Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2001). *Topics in phonetic and phonology: Contribution from Igbo.* Nsụka: A. P. Eụpress.
McGraw, H. (1993). The school dictionary 3. New York: Macmillan.
Ndibe, P.N. (2019). Iji asụsụ wee kwalite mmepe na ọganiihu obodo. *International Journal on Education and Inter-disciplinary studies.* 1(1), 215-255.
Ocho, O. (2005). *Issues and concerns is education and life, Institutes for developmental studies.* Enugu: University of Nigeria.
Obaji, C.N. (1982). *Language: Philosophical magazine*. Ikot Ekpene: Bigard. Memory Seminary Press.
Okodo, A. I. (1999). "Title names of traditional rulers in Anambra State: A sociolinguistics analysis". *Ederede Maka Nnwere Nzere*, Mahadum Naijirịa, Nsụka.
Ọnwudiwe, G. E. & Ugochukwu, C. N. (2012). Language as a vehicle for Cultural/ Transmission: The Case of Igbo Language. *N'ỌJA: An International Journal* of Igbo, African and Asian Studies 2-10.
Orji, M. N. (1999). *The History and Culture of the Igbo People before the advent of the white man.* Nkpor: Jet Publishers.
Ubahakwe, E. (1981). *Igbo names: Their structure and their meanings*. Ibadan: Daystar Press.
Robins, R. H. (1985). *General linguistics: An introductory survey.* London: Longman.
Udemmadu, T. N. (2018). *Ọmụmụ nghọtaokwu (Sematiks).* Onitsha: Durability Prints.
Ugobueze, N. M. (2010). *The part of our indigenous language in rebranding Nigeria:* Na Ngalaba Asụsụ ala Naịjirịa, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe.